# ỌLỤLỤ NWUNYE NKE NWA-ATỤRỤ AHỤ

## Nkpughe 19:1-21.

### IHE ỌMỤMỤ 464 - Nke NdỊ-etiti

**AMAOKWU IBUN'ISI: "Ọ nwe-kwa-ra aha edekwasiworo n'elu uwe-Ya na n'elu apata --ukwu-Ya, EZE kachasị NDI-EZE nile, NA ONYE-NWENU kachasi NDI-NWENU nile" (Nkpughe 19:16).**

**Ụdá Abụ̀ Haleluya Ahụ**

Mgbe Jọn onye ahụrụ n'anya nọ n'àgwàetiti Patmọs, ebe ezipụrụrị ya ga n'ihi na ọ na-ekwusa banyere Jisọs, ọ nụrụ ma hụ kwa ọtụtụ óké ihe dị ebube. Onyenweanyị gosịrị ya ihe ndị ahụ ga-eme na mgbe dị n'iru.

N'ihe ọ̀mụ̀mụ̀ a, anyị mụrụ na Jọn nụrụ óké abụ̀ Haleluya ahụ na-áda n'Eluigwe, nke ndị Onyenweanyị gbapụtara na-abụ̀; nke a bụ kwa abụ̀ ha n'abụ̀: "Haleluya; Nzọpụta nile na otuto nile na ike nile nādiri Chineke ayi: n'ihi na ikpé-Ya nile bu ezi-okwu buru kwa ikpe ziri ezi." Mgbe óké igwe mmadụ a, ná-arụghị ụka, ndị ra ka ndè kwuru nde mmadụ n'abụ̀ abụ̀, ọ na-áda dịka olu ọtụtụ mmiri ná-adị kwa ka olu egbe eluigwe dị ike: "Haleluya: n'ihi na Onye-nwe-ayi Chineke-ayi, Onye puru ime ihe nile, nābu eze. Ka ayi ñuria ọñu, ka obi nātọ kwa ayi utọ nke-uku, ka ayi were kwa otuto nile nye Ya: n'ihi n'ọlụlụ-nwunye nke Nwa-aturu ahụ abiawo, nwunye-Ya edoziwo kwa onwe-ya."

Ọtụtụ mgbe n'oge òfùfè n'ụlọ ụka, ndịnsọ nke Chineke na-ejikọta olu ha ka ha na-abụ̀ abụ̀ otuto nye Chineke; ma na abụ̀ nke eluigwe a ga-akachasị n'ịdị ukwu, dịkarịsị kwa ebube karịa abụ̀ ọ bụla anyị nụtụworo ná ntị anyị.

Ọ dị nọ ka aga asị na eseghere akwa mgbochi ka Jọn we nwee ike ileba anya n'ihe ka dịrịị n'iru n'iru, mgbe aga ejikọta Kraist na Nwunye Ya, ndị ahụ meriri emeri, ndị jikeworo kwa onweha. Anyị na-agụ: "Ihe anya nāhugh; nke nti nānugh kwa, Nke nābagh kwa n'obi madu, ka ha ra bu ihe Chineke doziri ndi huru Ya n'anya" (1 Ndị Kọrint 2:9). N'oge Nri Anyasị nke óké Ọlụlụ Nwunye a, Jisọs n'Onweya ga-eje ozi.

**Ọ Dị Nso**

Edere nke a ihe dịka puku arọ abụọ gara aga; ma taa, ka anyị na-amụ̀ Okwu Chineke, anyị na-achọpụta na ọ dịghịzikwa anya ọzọ, kama, "oge ahu di nso" (Nkpughe 1:3). Ebe anyị matara nke a, ka anyị mụọ isi Akwụkwọ a ná-eburu kwa n'uche na okwu ndịa niile bụ n'ihi ọdị mma nke anyị; nke a abụghị náání ọhụ̀ Jọn hụrụ, kama ọ bụ ozi kwesịrị ime ka anyị nyocha obi anyị ịhụ́ na anyị nọ ná njikere.

**Nwunye Kraist Ahụ Á na-alụ Ọhụụ**

Jọn na-ede na Nwunye nke Kraist ka egbokwasịrị ezi ákwà ọcha ná-enwu enwu, nke dị kwa ọcha, ọ na-akọwa na ọ bụ "ezi omume nile nke ndi nsọ," nke ná egosi obi dị ọcha, nke edokwara nsọ.

N'ihe ọ̀mụ̀mụ̀ nke a, anyị amụwo ọtụtụ ihe banyere nzọpụta site ná mmehie; emesịa, iji ndụ anyị chụọ àjà na ịchọsi odudo nsọ na ọwụwụ mmiri nke Mmụọ Nsọ ike. Anyị amụwo na onye ọ bụla agaghị ahụ́ Onyenweanyị anya ma o nweghị odudo nsọ; anyị amụwo kwa na "manu" ahụ anyị ga-eji ga-afọdụ n'arịa anyị ma ọ bụ Mmụọ Nsọ Chineke, dị mkpà ime ka ọkụ anyị ná-enwu ruo mgbe Onye ná-alụ Nwunye ọhụụ ga-abịa.

**Ọbị bị a Nke Jisọs**

Ọbịbịa Jisọs dị ná mpaghara abụọ ma ọ bụ n'ụzọ abụọ: ọbịbịa Ya dịka onye-ori n'abalị ịbịa kpọrọ Nwunye Ya nke nọ na nche, nke Nri anyasi Ọlụlụ Nwunye nke Nwa-atụrụ ahụ ga-esote; mgbe nke a gasịrị, ọbịbịa Jisọs ná Mkpughe Ya, mgbe anya niile ga-ahụzu Ya. Jọn kọwara ọbịbịa a n'amaokwu 11-16 nke Nkpughe isi nke 19. Ka anyị jisie ike hụ́ ihe ngosi ọ na-akọwa. Nke mbụ, emeghere eluigwe ịnyịnya ọcha wee pụta; onye ná-anọkwasị n'elu ịnyịnya a bụ Jisọs Kraist, Onye anya Ya abụọ dị kwa ka ire ọkụ, Ọ na-ekpukwa ọtụtụ n'okpueze n'isi Ya. Egbokwasiwo kwa Ya uwe nke efesaworo ọbara, akpọwo kwa aha Ya "Okwu Chineke" O nwekwara aha edekwasiworo n'elu uwe Ya na n'elu apata-ụkwụ Ya, "EZE kachasị NDI-EZE nile, NA ONYENWENU kachasi NDINWENU nile." O, tụle ụdị ihe ngosi a!

Mma agha dị nkọ na-esikwa n'ọnụ Ya pụta ka O wee were ya tigbuo mba niile, kpochapụ kwa ha; Ya Onweya ga ewere kwa mkpàn'aka nke igwe zụọ ha dịka atụrụ. Tinyere anya Ya dịka ire ọkụ na mma agha ahụ dị nkọ Ọ ga-ahụ́ ma kpochapụ kwa ihe niile mmehie meruru na ihe niile ruru inyi.

**Ndị Nsọ Ahụ Ná-anọkwasị N'Elu Ịnyịnya Ọcha**

"Usu nile nke ndi-agha ndi di n'elu-igwe we so Ya n'elu ịnyịnya ọcha nēyi ezi ákwà ọcha, nke dị ọcha nēnwu kwa enwu." Nke a abụghị ndịọzọ ma ọbụghị ndịnsọ, Nwanyị ahụ á na-alụ ọhụụ ekwutuworo okwu ya n'amaokwu nke asaa. Ọ dịghị onye pụrụ iketa òkè nime ya ma ọbụghị ndị obi ha dị ọcha dị kwa nsọ. Nwunye Ya "edoziwo kwa onwe-ya." Anyị matara na aghaghị iji Ọbara nke Jisọs zọpụta anyị ma do kwa anyi nsọ, ma ọ dị kwa ihe ọzọ anyị ga-eme. Anyị aghaghị ịnata ọwụwụ mmiri nke Mmụọ Nsọ. Mgbe ahụ anyị aghaghị kwa ị na-eche nche, ná-ekpe kwa ekpere, ná-agụ kwa Okwu ahụ, ná-ejisi kwa ike iwere oghere ọ bụla pụtara ná-ejé nzukọ, ná-eritakwara Jisọs mkpụrụobi n'uru, na iji obi anyị chụọ àjà na inyefe ndụ anyị n'aka Chineke kwa ụbọchị. Ka anyị achịkọtakwala aka anyị ọnụ na-asị, "Enwerem nzọpụta, enwerem odudonsọ, enwekwaram ọwụwụ mmiri; ejikerewokwam banyere ọbịbịa Jisọs, onweghịkwa ihe ọzọ fọdụrụm ime"

**Onye Ahụ Ná-emegide Kraist**

Anyị amụwo na ihe ọmụmụ 462 banyere anụọhịa ahụ, onye amakwara dịka Onye ahụ na-emegide Kraist. Jọn kọrọ banyere anụọhịa ahụ na ndịeze ọjọ nke ụwa ahụ ka ha na-achịkọta usu ndị agha ha ibuso Eze kachasị ndịeze niile na Onyenwenu kachasị ndị nwenu niile na ndịagha Ya agha. Ma anyị matara Onye meriri n'agha ahụ -- Onye ọchị-agha nke nzọpụta anyị! Anyị na-agụ na 2 Ndị Tesalọnaika 2:8, na Onyenweanyị ga-erepịa "Onye ahụ nēmebi iwu … gēwere iku ume nke si n'ọnụ Ya puta gbuo, were kwa ngosi nke ọbịbịa Ya me ka Ọ ghara idi ire." O jidere anụọhịa na onye amụma ụgha ahụ we tụba ha na ndụ nime ọdọ ọkụ ahụ nke ji brimstone na-ere, ebe ịta ahụhụ ebighi ebi n'ihi na ọkụ ya adịghị anyụ anyụ, mmadụ agaghị erepịa kwa ka o nwụọ. Ọ ga na-ata ahụhụ ọ nọ ndụ ọnwụ ka mma.

**Mma-agha Ahụ**

Usu niile nke ndịagha nke anụọhịa ahụ na onye amụma ụgha ahụ ka ewere mma-agha nke Onye ahụ na-anọkwasị n'ịnyịnya ọcha ahụ, bụ́ mma-agha ahụ nke si n'ọnụ Ya pụta, gbuo. Ọtụtụ mgbe n'Akwụkwọ Nsọ, á na-arụtụ Baịbụl aka dịka "mma-agha." Jisọs sịrị, "okwu nke M'kwuru, okwu ahụ gēkpe ya ikpe n'ụbọchị ikpe-azu" (Jọn 12:48). Na Ndị Hibru 4:12 anyị na-agụ n'okwu Chineke "di kwa nkọ kari mma-agha ọ bula nke nwere iru abụa" na o nwekwara ike ịtụpụta échìchè na izu niile nke obi. Jọn sịkwara na site n'ọnụ Jisọs ka "mma-agha di nkọ nēsi kwa aputa." Mma-agha a bụ ihe eji atụnyere Okwu Chineke nke aga esite na ya kpée mmadụ ikpé. Site na "mma-agha" ahụ Jisọs ga "etigbu mba nile".

**Nri-anyasị Ahụ Nke Chineke Ahụ Dị Ukwu**

Ihe ọzọ dị óké ebube Jọn hụrụ bụ otù mmụọ ozi na-eguzo nime anyanwụ, nke were oké olu tie mkpu, na-asị anụ ufe niile ma ọ bụ nnụnu niile nke na-efe n'etiti eluigwe, "Bianu, zukọ iri oké nri-anyasị nke Chineke; ka unu we rie anu-aru ndi-eze, na anu-aru ndi-ọchi-agha, na anu-aru ndi di ike, na anu-aru inyinya na nke ndi nānọkwasi ha, na anu-aru madu nile, ma ndi nwere onwe-ha ma ndi -orù, ma ndi ntà ma ndi uku." Lee ụdị oriri ọ ga-abụ, mgbe udele niile, na wọ̀wọ̀mbe niile na nnunu mmiri nile, na kwọkwọ niile, na nkwọ niile, na ugo niile, na ụdị anu ufe ọ bụla n'ụwa dum ga-ezukọ n'otù ebe iri anụarụ ndị ajọ mmadụ ahụ lụrụ ọgụ megide Kraist ewe merie ha!

**"EZE KACHASI NDI-EZE NILE NA ONYE-NWENU KACHASI NDI-NWENU NILE"**

Eze ahụ kachasị ndịeze niile emeriwo ike niile nke Ekwensu! Ọ̀ bụ ihe mgbagwoju anya na ndị okenye ahụ ga-ada n'iru ha kpọkwa isiala nye Ya? Ọ̀ bụ ihe mgbagwoju anya na oké igwe ndị nọ n'Eluigwe na-abụ "Haleluya" nye Onyenwenu kachasị ndị nwenu niile? Ah, na mmadụ niile, n'ebe niile ga-ada n'iru Ya ugbu a were ndụ ha nyefe Ya n'aka we soro kwa ndị ahụ na-akpọ isiala nye Eze ukwu a.

Ìmewo Ya Eze nke ndụ gị? Ị̀ na-asọpụkwara Ya n'ihe niile ị na-eme n'ekwu kwa? Ị̀ bụ kwa nwa Eze ahụ?

**AJỤJỤ DỊ ICHE ICHE**

1. Gịnị bụ abụ̀ ahụ ndị n'Ekwe Haleluya n'Eluigwe n'abụ̀?
2. Gịnị ka Ọlụlụ Nwunye Nwa-atụrụ ahụ pụtara ?
3. Òle otú esi gbokwasị Nwunye ahụ ákwà?
4. Gịnị ka nke a na-egosi?
5. Kọwa Eze ahụ nke ná-anọkwasị n'elu ịnyịnya ọcha ahụ.
6. Gịnị bụ ụdị ákwà ndị ná-eso Ya n'elu ịnyịnya ọcha ndị ahụ na-egbokwasị?
7. Gịnị bụ okwu ịma ọkwa mmụọ ozi ahụ ná-eguzo nime anyanwụ mara?

8. Ọ bụ òle ndị ka ndị eze nke ụwa na usu niile nke ndịagha ha buru agha megide?
9. Gịnị ka mma-agha ahụ ná-esi n'ọnụ Kraist pụta na-egosi?
10. Gịnị bụ okwu ịdọ aka-ná-ntị dịrị anyị nime Akwụkwọ a?